I meela mee ọmụmụihe a. eji m aka na ị na-aghọta ihe a na-akụzi. N’ọmụmụihe ọzọ, anyị lebara anya na nzọụkwụ nke atọ, nke anọ na nke ise bụ nke ikpeazụ.

### Ikike ịkọpị ma ọ bụ imezigharị ọmụmụihe a

E merpụtara ọmụmụihe a n’aha Researchers on ICTs in Education in Africa (RICTHE Africa) na Commonwealth of Learning (COL). Ọ gbadere ụkwụ n’edemede Annie Lin na ndị ọzọ dere na Wikihow (https://www.wikihow.com/Make-a-Life-Plan). WikiHow bụ ebe ndị mmadụ na-ejikọ aka edepụta usoro e si-eme ihe dị iche iche n’ụzọ kachasị nma n’ụwa dum. I nwere ike imezi ma ọ bụ hazigharịa ọmụmụihe a, kesakwaa ya n’ikike nke Creative Commons (CC) BY-SA 4.0 nyere (https://creativecommons.org/licenses/by-sa/4.0/).

Foto niile nọ n’ọmụmụihe a si na www.pxhere.com, bụ ebe onye ọbụla nwere ikike iwere foto mee ihe ọ chọrọ iji ya mee dịka Creative Commons (CC) 0 si kwado (https://creativecommons.org/share-your-work/public-domain/cc0/).

Researchers on ICTs in Education in Africa
University of Nigeria

# Usoro Mmadụ Ga-Eso Tụọ Atụmatụ Ndụ Ya

## Nkeji Nke Mbụ, Ọmụmụihe Nke Mbụ



## ỌMỤMỤIHE SOCIAL STUDIES

Nke e mere n’ọnwa February, Afọ 2021
N’aha Researchers on ICTs in Education in Africa (RICTHE Africa) na Commonwealth of Learning (COL)

## Nzọụkwụ nke abụọ:

## Chee maka ihe ndị ị ga-achọ ka i na-eme n’ọdịnihu

Ajụjụ atọ ga-enyere gị aka ime nke a.

Ajụjụ 1:  Ihe ndị i na-eme n’oge ugbua, ha bụ ihe ndị ị chọrọ ime n’oge dị n’ihu?

Ajụjụ 2:  O nwere ndị i na achọghị ịrụ n’ọdịnihu nihi na ha agaghị enyere ndụ gị aka ma ọ bụ na i nweghị mmasị na ha?

Ajụjụ 3:  O nwere ihe ndị ọzọ ị chọrọ ime n’ọdịnihu mana i naghị eme ha ugbua?

# Ihe omume 2

Na akwụkwọ i dere Ihe Omume 1, denye **Ee** na ngwụcha ihe ọbụla ị ka-achọrọ ime n’ọdịnihu; denye **Mba** na ngwụcha nke i na achọghị ime; depụta ihe ndị ọzọ i nwere nmasị ime n’ọdịnihu mana i naghị eme ha ugbua.

N’iji nyere gị aka idepụta ndị ọzọ, chee maka ihe ndị i nwere olileanya na ị ga-eme. Iji maa atụ, ọ bụrụ na i nwere nmasị ịga obodo oyibo, denye “onye njem” dịka otu n’ime ihe ndị ị chọrọ ịrụ n’ọdịnihu. Ọzọ, ihe ndị ị ga-achọ ime ma ọ bụ ịbụ n’ọdịnihu nwere ike ịgbade ụkwụ n’ụfọdụ akparamagwa gị ugbua. Ya bụ, ọ bụrụ na ị na-enwe ọṅụ n’inyere onye nọ n’ọrịa ma ọ bụ onye merụrụ ahụ aka, denye “nọọsụ” ma ọ bụ “dibia bekee” (dibia oyibo). Ọ bụrụ na ị na-arụkarị ihe orụrụ ma ọ bụ idozi ihe mebiri emebi, denye “injinia” ma ọ bụ “onye ọrụ aka”. Ọ bụrụ na ị na-ejikarị ịlụ ọgụ azọ ihe, denye “onye ọrụ agha” (military person).

Mmadụ na-eme ihe dị iche iche ụbọchị niile. Site n'ihe ndị a mmadụ na-eme, ọ na-enye onwe ya aha dị iche iche. I nwere ike ịza "nnwa" nihi na ị na-arụ ọrụ nnwa n'ezinụlọ unu, ma ọ bụ zaa "daadii"/"mọọmii" nihi na ị na-arụ ọrụ nna ma ọ bụ nne. E nwekwara ike ịkpọ gị "nwata akwụkwọ" nihi na ị na-agụ akwụkwọ, "ọgba bọlụ" nihi na ị na-agba bọlụ, ma ọ bụ "ọgụ egwu" nihi na ị na-agụkarịrị egwu. I nwere ike ịza "onye na-esi nri" ma ọ bụ "onye na-asa efere", nihi na ọ bụ ihe ị na-arụ n'ezinụlọ unu ma ọ bụkwanụ ọrụ i ji-enweta ego. Ọ bụrụ na ị na-akwa akwà, a ga-akpọ gị "onye na-akwa akwà".




## Ihe omume 1

Ugbua, were akwụkwọ na mkpịsị odee gị depụta ihe niile i na-eme. Tinye akara guudu na nke ọbụla i na-eme kwa ụbọchị. Chekwaba akwụkwọ gị nke ọma ma nye ya onye wetaara gị ọmụmụihe a mgbe ọzọ ọ bịara.



**Isiokwu**: Usoro Mmadụ Ga-Eso Tụọ Atụmatụ Ndụ Ya

**Sọbụjetị**: Social Studies

**Maka** ndị dị afọ itolu ruo afọ iri na ise, ma ọ bu ndị nọ na klasị nke ise n'ụlọakwụkwọ praịmarị ruo klasị nke atọ n'ụlọakwụkwọ jiniọ sekọndịrị

*Nkeji Nke Mbụ*: Ikwupụta ihe ndị dị gị mkpa karịa ihe ndị ọzọ

*Nkeji Nke Abụọ*: Iwepụta ihe ndị i na-ele anya inweta

*Nkeji Nke Atọ*: Ide atụmatụ gị

**Mgbe ahaziri ọmụmụihe a**: Febrụwarị, Afọ 2021

**Okwu Nkọwa**:

Otu ihe e jiri mara ndụ anyị na-adị bụ na ọ na-agbanwe mgbe niile. Onye ọbụla dị ndụ kwesịrị isi n'ọtụtụ ihe a na-eme eme wepụta ihe ndị dị ya mkpa karịa ndị ọzọ. Ịtụ atụmatụ maka ndụ dị mkpa n'ime nke a. Ọ na-enyere mmadụ aka nke ukwuu ịma nakwa ịgbaso ihe ọ chọrọ ka e ji mara ya na ndụ a. Ọ na-enyekwere mmadụ aka ịnọgharị nke ọma mgbe ọ hụrụ ihe ọzọ ka mkpa, nihi na ka mmadụ na-eto nakwa ka ụwa na-agbanwe, ihe dị mmadụ mkpa karịa ga na-agbanwe.

Ọmụmụihe a dị na nkeji atọ nọ iche iche. Nkeji ọbụla nwere nzọụkwụ akọwara n'ụzọ ị ga-aghọta ha nke ọma ka i nwee ike zọpụ nzọụkwụ ndị ahụ. Ihe a na-ele anya bụ ka ịhazie ndụ gị, nwee ọkpụrụkpụ ihe ị na-ele anya imepụta ga-eme ka i nwee afọ ojuju nakwa ọganihu na-adịgide, ghara ịla oge na akụ n'iyi ma ọ bụ butere onwe gị aha ọjọọ na ihere.

**Ihe anyị na-ele anya na ị ga-enweta n'ọmụmụihe a**:

I mechaa ọmụmụihe a,

(1) Ị ga-enwe ike kwuo nzọụkwụ a na-eso n'ikwupụta ihe ndị kasị mkpa.

(2) Ị ga-enwekwa ike kwuo ma ọ bụ depụta ihe ndị kasị gị mkpa na ndụ, ihe ị chọrọ ịbụ ma ọ bụ ime n'ọdịnihu na ihe kpatara i ji họrọ nke ahụ.

(3) Ị ga-ekwukwa ihe ndị dị mkpa ị ga-eji mejupụta ebumnuche gị.

**Ihe Mpụtaìhè**

Nsọtụ ihe ndịa niile ị ga-amụta bụ na ị ga-enwe atụmatụ maka ndụ gị, na-agbaso ihe ndị dị mkpa imejupụta atụmatụ gị ịbụ onye ị chọrọ ịbụ, ma bụrụ onye ahụ ị chọrọ ịbụ. Ọmụmụihe a ga-emekwa ka ị bụrụ onye ma ka e si-ahazi ọtụtụ ihe n'usoro idebe nke kacha mkpa n'ihu ma debe nke ọ ka mkpa n'azụ ya.

**Ihe ndị ị ga-eji mụọ ọmụmụihe a bụ** oge, ụbụrụ gị, akwụkwọ ị ga-eji na-ede ihe omume, mkpịsị odee (pen ma ọ bụ pencil n'asụsụ Bekee)

Ka anyị gazie na peji nke ọzọ malite ọmụmụihe.



*Nkeji Nke Mbụ, Ọmụmụihe Nke Mbụ*:

## Ikwupụta ihe ndị dị gị mkpa karịa ihe ndị ọzọ

### Nzọụkwụ nke mbụ:

### Tulee ihe ndị ị na-eme n'oge ugbua.





















